**TTB IGBO**

**ỤGBỌ NKE NDỤ (UNN) – 0251**

Jọn 4: 1-54

Jizọs gbara nwaanyị ahụ ajụjụ ọnụ n’olulu mmiri dị na Sychar (okwu nke atọ); Jizọs gwọrọ nwa nwoke ahụ na ejere eze ozi na Kapaniọm (ọrụ nke abụọ)
Isi nke 4 na-akpobata anyị na ihe dị oke mkpa mere na ije ozi nke Onye-nwe-anyị dika Ọ na-agabiga Sameria. Lee Jon 4: 1-3:

1 Ya mere mḅe Onye-nwe-ayi mara na ndi-Farisi nururi na Jisus nēme madu ka ha buru ndi nēso uzọ-Ya, na Ọ nēme kwa ha baptism, kari Jọn, 2 (ọ bu ezie na Jisus onwe-ya emeghi baptism, kama ọ bu ndi nēso uzọ-Ya), 3 Ọ rapuru Judia, we je Galili ọzọ.

Nye ndị Juu n’oge Jizọs, ụzọ gara Jerusalem gara gburugburun Sameria. Mana O kpachara anya gabiga na Sameria ebe O kuziri ndi n’eso uzo Ya ihe gbasara mkparita uka mba na mba.

Jizọs gbara nwaanyị ahụ ajụjụ ọnụ n'olulu mmiri dị na sychar (Okwu nke atọ)
Lee Jon 4: 4-6:

4 Ma Ọ ghaghi igabiga n'etiti Sameria. 5 Ya mere Ọ bia rue otù obodo nke
Sameria, anākpọ Saika, na nso iberibe ala ahu nke Jekob nyere nwa-ya Josef: 6 ma
isi-iyi Jekob di n'ebe ahu. Yamere Jisus, ebe ike gwuru Ya n'ije-Ya, Ọ nọduru ala otú a n'usọ isi-iyi ahu. Ọ ra ka oge hour
nke-isi.

Okwu ahụ kwesiri ịdọọrọ uche anyị. Gịnị mere O ji dị mkpa na ogafere Sameria? Ka o wee bịakwute otu nwanyị. Gee ya ntị n'amaokwu 34, "Nri m bụ ime uche nke Onye zitere m, ya na irụchaa ọrụ Ya." Ọ ghaghi isi n'etiti Sameria gabiga n'ihi na ọ bu uche nke nna ka Ọ gabiga Sameria. Ebe ọ na-aga òtù ọdị bụ na Kena nke Galili ebe O mere mmiri ka ọ ghọ mmanya. E nwere otu nwoke nke na ejere eze ozi, onye nwa ya nwoke na-arịa ọrịa, obukwa ebe ahụ Ka o na-aga. Ma Ọ ghaghi igabiga n'etiti Sameria.

Oge awa nke isii dịka oge ndị Rom ga-abụ elekere isii nke mgbede, mana anyị na-eso oge ndị Juu ebe a, oge awa nke isii bụ elekere iri na abụọ nke ehihie. Ike gwụrụ ya na njem ya. Lee otú o si buru mmadụ na ozuzu okè. I hụrụ, Jọn gosipụtara ya dịka Ọkpara Chineke, dịka Chineke ghoro mmadu. "Okwu ahụ nke ghoro mmadu" (Jọn 1:14). Enyi, n'agbanyeghi na asusu ahu di nfe, o na egosiputa ihe kariri akari. Cheedị banyere ya! Chineke nke mgbe ebighị ebi bịara n'ụwa a. Okwu ahụ ghọrọ mmadu ma biri n etiti anyị — Ọ maara ụlọikwuu ya ebe a n'etiti anyị. Ọ gafere Sameria ma nọdụ ala n'akụkụ otu olulu mmiri ka o wee hu nwanyị Sameria!

Ichọta nwanyị na olulu mmiri Jekọb na Sychar (4: 5-7), Jizọs malitere mkparịta ụka nke gbanwere ghọ nke onwe ngwa ngwa. Mgbe na-adịghị anya, nwanyị ahụ achọwa ịgbanwe. Ma Jizọs ghọtara na omenala ha, ụmụ nwanyị enweghị ikike iji aka ha mee mkpebi ndị dị mkpa. O bu ndi nwoke n'eme udị mkpebi a, mgbe ufọdụ n'agburu, n'ime ezinulo. N'eziokwu, ọ bụghi ihe a na-eme, na nwoke, karịchaa onye ozizi na nwanyi inwe mkparịta ụka siri ike n'ihu ọha, dị ka Jizọs na-eme. Ikekwe o bụ otu ihe mere nwanyị ahụ jiri pụọ ngwa ngwa ndị-na-eso ụzọ ya bịara (4: 27–28). Lee Jon 4: 7-14:

7 Otù nwanyi, bú onye Sameria, bia isere miri: Jisus si ya, Nyem miri ka M'ṅua. 8 N'ihi na ndi nēso uzọ-Ya jeriri n'obodo izu nri. 9 Ya mere nwanyi Sameria ahu si Ya, Gì onwe-gi si aṅa ariọ miri n'akam ka I ṅua, ebe I bu Onye-Ju, ma mu bu nwanyi Sameria? (N'ihi na ndi-Ju na ndi Sameria adighi-emekọ ihe. ) 10 Jisus zara, si ya, Ọ buru na i matara onyinye Chineke, na Onye Ọ bu Nke nāsi gi, Nyem miri ka M'ṅua; gi onwe-gi gāriọ Ya-ri, Ọ gēnye kwa gi miri di ndu. 11 Nwanyi ahu si Ya, Onye-nwe-ayi, I nweghi ihe isere miri, ma olùlù-miri a di omimi: òle ebe kwa ka I nwere miri ahu di ndu? 12 Ọ̀ gābu na Gi onwe-gi ka nna-ayi Jekob uku, onye nyere ayi olùlù-miri a; ya onwe-ya, na umu-ya, na anu-ulo-ya, ṅu-kwa-ra nime ya? 13 Jisus zara, si ya, Onye ọ bula nke nāṅu miri a, akpiri gākpọ ya nku ọzọ: 14 ma onye ọ bula nke gāṅu miri ahu nke Mu onwem gēnye ya, akpiri agaghi-akpọ ya nku ma-ọli rue mḅe ebighi-ebi; kama miri ahu nke Mu onwem gēnye ya gāghọ nime ya isi-iyi miri nāsuputa ri nne rue ndu ebighi-ebi.

Nwanyị a bụ nwanyị birị ndu ila n'iyi. Echere m na ọ nwere ike ịbụ ihe a na-ahụkarị dị ka ukpụrụ ezì. Ọ na-akparị mmadụ, na-emekwa omume rụrụ arụ.

Lee ọdịiche dị na ya na nwoke ahụ, bụ Nikọdimọs, anyị hụrụ na Jọn isi nke 3. Ma hukwa ụzọ dị iche Onye nwe anyị si emeso ya. Nye Nikọdimọs, nwoke ji okpukperechi kpọrọ ihe, Onye nwe anyị  ji olu ike ma na-ekwu okwu òtù o si di, mana lee ka O si jiri nwayọ n'emeso nwa nwanyị a. Ọ rịọro ya ka o meere ya amara. Ọ rịọrọ ya ka o nwee ọmịiko — Akpịrị na-akpọ ya nkụ o wee rịọ ka ọ nye ya mmiri Ka o nụọ. Lee obi iru ala nke Chineke! O bu mmiri nke ndu ma o rịọro ya mmiri. Ọ bụ n'ehihie ma ndị na-eso ụzọ ya agawo n'obodo izu nri. Na ha gara izụ ndị Sameria nri na-egosipụtakwa na Jizọs jụrụ ebumnobi ojọo ndị Juu nke weere nri ndị Sameria dika ihe na-adịghị ọcha, ọbụnadị dịka anụ ezì. Ugboro abụọ ka ọ jụrụ arịrịọ Ya. Ọ nweghi nsọpụrụ ebe a, na-akparịkwa mmadụ, di mpako, burukwa onye na-enweghị isi - ọ na-anya isi. Ọ na-egosi odiiche di na agbụrụ ha. A na-ekwu na ndị Sameria nwere ike iresi ndị Juu ihe, ma ha enweghị ike iji otu iko nụo mmiri. Ihula ihe onye nwe anyi n'eme n'ebe a. Ọ na-abịa n'ebe dịkarịsịrị ala ebe Ọ nwere ike ịbịa. Mana lee otu Onye-nwe-anyị si emeso ya. O jiri ezigbo nka na ọmịiko, mana ojikwa olu ike, ikwesị ntụkwasị obi na eziokwu n'agwa ya okwu. O naghị enye ya nkuzi maka mwekota ma ọ bụ ikike Onye n'obodo. Ọ bụghị onye n'azo okwa ụfọdụ. Naanị ihe ọ na-eme bụ ịkpali mmasị nwanyị ahu. Ọ na-eweputa mmasị na akpịrị ịkpọ nkụ.

Ka Ọ na-akpali mmasi ya, omume ya gbanwere ozugbo. Nwanyị ahụ kpọrọ Ya "Nna-ukwu" nke ọ hapụru na mbụ. Mgbe ahụ, ọ dị mpako, o nweghịkwa nsọpụrụ, ma ugbu a enwere ihe di iche. Isi okwu n'ebe a bụ na nwanyị a na-eche maka ihe anụ ahụ; echiche ya enweghị ike ịdị elu karịa ọkwa mmiri dị na olulu mmiri ahụ. Rịba ama na ọ kọwara onwe ya dị ka onye metutara Jekọb. Ọ kpacha anya na-eme nke a, n'ihi na agbụrụ ndị Sameria bụ ụmụ Jekọb ndị lụrụ di na nwunye site na mgbago ugwu mgbe Asiria doọrọ Israel n'agha na 721 B.C Jizọs mere ka o doo anya na ọ naghị ekwu banyere mmiri di n'olulu mmiri Jekọb. Kama, Ọ na-ekwu ihe di iche, ị hụrụ. Taa, igwe mmadụ na-aga n'olulu mmiri nke ụwa a, na-achọ afọ ojuju. Ha na-achọkwa ihe anụ ahụ, ọ bụghị afọ ojuju ime mmụọ. Ma ugbu a, Jizọs etinyela agụụ mmiri nke ime mmụọ n'ime obi nwaanyị a.

Jon 4: 15-18 kwuru:

15 Nwanyi ahu si Ya, Onye-nwe-ayi, nyem miri a, ka akpiri we ghara ikpọm nku, ka m'ghara kwa isi n'ogologo uzọ a nile bia ebe a isere miri. 16 Jisus si ya, Laba, kpọ di-gi, bia kwa n'ebe a. 17 Nwanyi ahu zara, si Ya, Enweghm di. Jisus si ya, I kwuru

nke-ọma, si, Enweghi m di: 18 n'ihi na i nwewo di ise; ma onye i nwere ub̹u a abughi di-gi: nka ka i kwuworo n'ezie.

Akpịrị na-akpọ ya nkụ maka mmiri nke ime mmụọ, mana mgbe ahụ echiche ya gaghachiri azụ Ọ bụ ezie na mmiri ahu bu maka mmadụ niile, enwere ọnọdụ a ga-ezute----akpịrị aghaghi ịkpọ nkụ, mkpa di. Ya mere, o ghaghi ịmata na o bu onye nmehie. Ya mere Onye-nwe-ayi siri ya, "gaa kpọ di gi". Nke ahụ bụ isiokwu na-emetụ n'ahụ. Ya malite nfuli-elu ọzọ. Mana ọ bụkwa eziokwu na alụọla di, ma ọ bụ biri na, ma ọ bụ nwee mmekọrịta ya na ọtụtụ ụmụ nwoke nọ na agbụrụ ahu (4: 17–18). N'akụkụ ahụ, ọ dị ka ọtụtụ ndị nne na-enyere ọha na eze aka taa bi n'alụmdi na nwunye nke iwu. Njikọ ndị ahụ nwere ike mee ya ka ọ bụrụ "onye nche ọnụ ụzọ" pụrụ iche ma ọ bụ onye na-ahazi mmekọrịta mmadụ na obodo. Ọ nwere ike ịkpọghe obodo ahụ nye Jizọs. Ozugbo nwanyị ahụ mere nke a, Ọ nọrọ ebe ahụ ụbọchị abụọ (4: 43).

O kwuru eziokwu banyere nke ahụ. O luola di ugboro ise, ma onweghi nke ọbụla oji mgbe ahu. Ya na otu nwoke bi na-akwa iko. Onye-nwe-ayi n'ekwusi ike na, mgbe I biakutere Ya, I ghaghi ijụ nmehie. Ihe nzuzo niile aghaghi iputa Ìhè n'iru Ya. Nke a bụ onye mmehie. Otu ihe mere na nwanyi a abughị onye ama ama n'etiti ụmụ nwanyị ndi ozo nọ n'obodo ahụ bụ n'ihi na o bu ezi onye ama ama n'etiti ndị nwoke no na obodo ahụ. Nwanyị ahụ n'iju anya nwere nsọpụrụ. Ma mgbe ahụ ọ chọrọ ịgbanwe isi okwu ahụ site na ịmalite arụmụka gbasara okpukperechi.
Lee Jon 4: 19-26:

19 Nwanyi ahu si Ya, Onye-nwe-ayi, ahurum na Gi onwe-gi bu onye-amuma. 20
Nna-ayi-hà nile kpọrọ isi ala nye Chineke n'ugwu a; ma unu onwe-unu si, na ebe
madu aghaghi ikpọ isi ala nye Chineke di nime Jerusalem. 21 Jisus si ya, Nwanyi,
kwerem, oge hour nābia, mb̹e unu nāgaghi-akpọ isi ala nye Nnam, ma ọ bu
n'ugwu a, ma-ọbu na Jerusalem. 22 Unu onwe-unu nākpọ isi ala nye ihe unu
nāmatagh: ayi onwe-ayi nākpọ isi ala nye ihe ayi matara: n'ihi na nzọputa si n'etiti
ndi-Ju puta. 23 Ma oge hour nābia, ub̹u a ka ọ di kwa, mb̹e ndi nākpọ isi ala n'ezie
gākpọ isi ala nye Nnam nime mọ na ezi-okwu: n'ihi na ndi di otú ahu ka Nnam
nāchọ kwa ka ha buru ndi nākpọ isi ala nye Ya. 24 Chineke bu Mọ: ndi nākpọ kwa
isi ala nye Ya aghaghi ikpọ isi ala nime mọ na ezi-okwu. 25 Nwanyi ahu si Ya,
Amataram na Mesaia nābia (Onye anākpọ Kraist): mb̹e ọ bula Onye ahu gābia, Ọ
gākọrọ ayi ihe nile. 26 Jisus si ya, Mu onwem Nke nāgwa gi okwu bu Ya.

Ugbu, nke a ga-abu ezigbo arụmụka gbasara okpukperechi, enyi. Ebee ka I n'aga ife ofufe? N'ugwu a ka ọ bụ na Jerusalem? Nke ahụ kpatara ọtụtụ arumaruka n'ụbọchị ahụ. Enwere otutu ndi mmadu taa ndị choro iru uka gbasara okpukperechi, ma ha achoghi ibi ndu ya. Ekwenyesiri m ike na ọtụtụ ihe ndị a na-eme na nzuko anyị taa no ebe ahu ka eji ya kpuchie mmehie. O di nwute na ulo uka anyi ha bu akwu nke ihu abuo, na agwakorita na mmehie, na ajukwa iguzogide mmehie. I mara, ọ dị mfe ikwusa maka mmehie nke ndị Moab nke ha mere ihe dị ka puku afọ anọ gara aga, mana kedu maka mmehie anyị taa?

Onye-nwe-ayi ezereghi ma-ọbu dobe n'akuku ihe gbasara nmehie nke onwe. Ekwere m na ọ bụrụ n'ezie na ị nwere ajụjụ n'eziokwu ma ọ bụ nwee obi abụọ, Onye nwe anyị ga-ekpughere gị ogbugbo ya. Onye-nwe-ayi we zaa nwanyi a ajuju o jụrụ.

Ihe dị nwanyị a mkpa bụ ma o kwesịrị ife Chineke n 'ugwu a ebe ndị Sameria na-efe Ya, ka ọ bụ ka o fee Ya na Jerusalem. Jizọs gwara ya na ụbọchị na-abịa mgbe a na-agaghị efe ya ofufe n'ebe ọ bụla ndị a. N'ihi gịnị? Ya mere, o baghị uru ebe ị na-efe Chineke. Ọ bụghị ebe kama otu ị si efe Ya dị mkpa. Onye-nwe-ayi zara ya nke-ọma. Chineke bụ Mmụọ. Ikwesighi igbara oso gaa ebe a ma obu ebe ozo. Ndị na-efe ezi ofufe na-efe Ya ofufe n'ime mmụọ na n'eziokwu.

Ọbụna ndị Sameria nọ na-achọ Mezaịa ahụ Ka obịa. Nke ahụ bụ ihe na-akpali nnọọ mmasị. Taa ọbịbịa nke ugboro abụọ nke Kraịst bu nke ndị nke ya kwenyere ma hụ Ya n'anya. Ndị na-abụghị nke Ya n'ezie, n'agbanyeghi na ha bụ ndi otu ụka, nwere mmetụta na Ọ nwere ike ịbịa.

N'agbanyeghị na ha kwuru na ha ekweghị n'ọbịbịa ya nke abụọ, ọ ka na-enye ha nsogbu. Nwanyị ahụ nwere mmasị miri emi ugbu a, enwekwara ezigbo agu di ya n'obi. Nwanyị a na Onye-nzọpụta nke ụwa bu Mezaịa ahụ zutere n'ihu n'ihu ugbu a. Enyi, nke a bu ajuju m na-aju gi taa, onye obula i bu, ebe obula i no, òtù ọbụla i di: gi na Onye nwe anyi Jisos Kraist o biala n'ihu n'ihu dika nwanyi a mere? Asim gi, o huru onwe ya n'ihu ya. "Mu onwe m nke na-agwa gị okwu bụ Ya!"

Lee Jon 4: 27-38:

27 Mḅe Ọ nēkwu nka ndi nēso uzọ-Ya biara; o we ju ha anya na Ya na nwanyi nēkwurita okwu: otú ọ di, o nweghi onye ọ bula siri, Gini ka I nāchọ? ma-ọbu, Gini

mere Gi na ya nēkwurita okwu? 28 Ya mere nwanyi ahu rapuru ite-miri-ya, we je ba nime obodo, si ndi ahu, 29 Bianu, le otù Nwoke, Onye gwaram ihe nile m'mere: Ònye a gābu Kraist ahu? 30 Ha siri n'obodo-ha puta, nābiakute kwa Ya. 31 Mḅe ihe ndia nēme ndi nēso uzọ-Ya nāriọ Ya, si, Rabai, rie ihe. 32 Ma Ọ siri ha, Mu onwem nwere ihe-oriri iri nke unu onwe-unu nāmataghi. 33 Ya mere ndi nēso uzọ-Ya sirita onwe-ha, Ọ̀ di onye wetara Ya ihe Ọ gēri? 34 Jisus si ha, Ihe-oririm bu ka M'nēme ihe Onye ziterem nāchọ, ka M'luzu kwa ọlu-Ya. 35 Ùnu onwe-unu asighi, Ọnwa anọ fọduru, owuwe-ihe-ubi ewe bia? le, asim unu, Welienu anya-unu elu, kiri ubi, na ha chara acha uḅu a ka ewere ihe di nime ha. 36 Onye nēwere ihe ubi nānara ugwọ-ọlu-ya, nāchikọta kwa nkpuru nye na ndu ebighi-ebi; ka onye nāgha nkpuru na onye nēwere ihe ubi we ṅuria ọṅu n'otù. 37 N'ihi na nime nka ka okwu a bu ezie, Otù onye nāgha nkpuru, ma onye ọzọ nēwere ihe ubi. 38 Mu onwem zigara unu iwere ihe ubi nke ọ dighi mḅe unu onwe-unu dọḅuworo onwe-unu n'ilu ya: ndi ọzọ adọḅuwo onwe-ha n'ọlu, unu onwe-unu abàwo kwa na ndọḅu-ha.
O juru ndị na-eso ụzọ ya anya na onye ozizi ha na-agwa nwanyị okwu (Jọn 4:27).

N'oge ha, e lere ya anya dị ka ihe na-ekwesighi ekwesi na ihe na eweda ugwu ya bu onye ozizi igwa nwanyị okwu n'ihu ọha. Ma Jizọs họọrọ ọnọdụ metutara ndị ọzọ karịa ndị okpukperechi ibe ya. Nwaanyị ahụ atụgharịala na okwukwe n’ebe Onye nwe anyị Jizọs nọ, ya mere, ọ gbabara n’ime obodo ahụ ịkọrọ ndị ọzọ. Rịba ama na ọ naghị agwa ụmụ nwanyị okwu n'ihi na ya na ha anaghị ekwurita okwu. Ufọdụ n'ime ndị ikom ahụ bu ndi ya na ha n'enwe mmeko, ha nwekwara nnọọ mmasị ịmara ma Ọ ga-ekwuli ihe niile nwanyi ahụ mere. Ya mere, lee ihe merenụ. Otu o sila dị, ihe ọzọ mere bụ ka o nwee ike gaa ma gwa “ndị ya ọzọ pụtara Ìhè,” ndị nzụkọ nke ezi na ụlọ na ndi enyi, banyere Jizọs (4: 28–30).

Nwanyị ahụ hapụrụ ite mmiri ya n'olulu mmiri, ikekwe n'ihi na ọ na-eme ọsọ ọsọ, ọ bụ ezie na ọ nwere ike ịhapụ ya ebe ahụ iji zere iburu ya na agaghari; mgbe emechara, o doro anya na o bu n’obi ịlọghachi. Ka o sina dị, amaokwu nke 28 mere ka ọ pụta ìhè kpọmkwem na ọ gakwuuru “ụmụ nwoke” ahụ bi n’obodo ahụ — ikekwe ihe na-egosi na ọ bụ ha bu ndi na-eme mkpebi n’ezie. Ndị ikom ahụ bịara n'ihi àmà ọ na-agba. Nke ahụ dị ezigbo mkpa ka anyị hụ. N'ihi na ọ gbaara ndị ọzọ àmà bu ihe na-egosi okwukwe ya. Ihe mere O jiri gabiga Sameria bụ ime uche nke nna site na iru nwanyị a nso.

N’oge a anyị bi na ya taa, ọrụ anyị bụ ịgha mkpụrụ. Ana m agbalị site na redio ịgha mkpụrụ nke okwu Chineke. Enwere m olileanya na ezigbo ulọ ụka di iche iche ga-aghọrọ mkpụrụ n’ihi na akụrụ m mkpụrụ. Otu onye na-agha onye ọzọ na-aghọrọ mkpụrụ. A na m anuri na nke ahụ. Lee John 4: 39-42:

39 Ma ọtutu ndi Sameria si n'obodo ahu kwere na Ya n'ihi okwu nwanyi ahu,
onye ḅara àmà, si, Ọ gwaram ihe nile m'mere. 40 Ya mere mḅe ndi Sameria
biakutere Ya, ha riọ Ya ka Ọ nọyere ha: O we nọgide n'ebe ahu ubọchi abua. 41
Ma ndi kwere n'ihi okwu-Ya kariri ri nne; 42 ha we si nwanyi ahu, Ọ bughi n'ihi ihe
i kwuru ka ayi nēkwe uḅu a: n'ihi na ayi onwe-ayi anuwo, mata kwa na Onye a bu
Onye-nzọputa nke uwa n'ezie.

Enwetara ọtutu igwe mmadu na Sameria site na nwanyị a birị “ndu ojọo” mgbe gara aga!. Lee ihe magburu onwe ya anyị na-ahụ n'ebe a. Ha bịakutere mmiri ndu ahụ wee nụọ. Naanị ihe ha ga-eme bụ akpiri ịkpọ ha nkụ. I gaghị ama na akpịrị na-akpọ gị nkụ ruo mgbe ị matara na ị bụ onye mmehie, enyi. Aisaia tiri nkpu, “Lee, onye obula nke akpiri n'akpo nku, ya bia na miri…”  (Aiasaya 55: 1).

Onye-nwe-ayi kpọrọ otù òkù ahu: “Ọ bụrụ na akpiri akpọ onye ọ bụla nku, ya bịakwute m ma nụọ” (Jọn 7:37). Mmiri nke Ndụ bụ maka “onye ọ bụla” Ma otu ọnọdụ o nwere bụ akpịrị ịkpọ nkụ. Ọtụtụ n’ime ndị Sameria bịakwutere ya, ma nụọ. Ndị Sameria ahụ sịrị, "Ugbu a ka anyị kwere, ọ bụghị n'ihi ihe i kwuru, n'ihi na anyị onwe anyị anụwo ya ma mara na nke a bụ n'ezie Kraịst ahụ, Onye Nzọpụta nke ụwa."

Nke ọzọ bụ Jon 4: 43-54:
Jisus gwọrọ nwa nwoke ahu na ejere eze ozi na Kapaniọm (Ọrụ nke Abụọ)

43 Ma mḅe ubọchi abua ahu gasiri, O si n'ebe ahu pua ba na Galili. 44 N'ihi na
Jisus onwe-ya ḅara àmà, na adighi-asọpuru onye-amuma n'ala nke aka ya. 45 Ya
mere mḅe Ọ biara na Galili, ndi Galili nara Ya nke-ọma, ebe ha hururi ka ihe O
mere na Jerusalem ra n'ememe: n'ihi na ha onwe-ha je-kwa-ra ememe ahu. 46 Ya
mere Ọ biaruru Kena nke Galili ozọ, ebe O mere miri ka ọ ghọ manya-vine, Ma otù
nwoke nke nējere eze ozi di, nke aru nādighi nwa-ya nwoke ike na Kapanaum. 47
Mḅe onye ahu nuru na Jisus esiwo na Judia puta ba na Galili, o jekuru Ya, riọ Ya ka
Ọ ridata, me ka aru di nwa-ya ike; n'ihi na ọ nọ n'ọnu ọnwu. 48 Ya mere Jisus siri
ya, Ọ buru na unu ahughi ihe-iriba-ama na ọlu-ebube, unu agaghi-ekwe ma-ọli. 49

Nwoke ahu nke nējere eze ozi si Ya, Onye-nwe-ayi, ridata mb̩e nwatakirim akānwughi. 50 Jisus si ya, Ga nke gi; nwa-gi nwoke di ndu. Nwoke ahu kwere okwu Jisus gwara ya, o we ga nke ya. 51 Ma mb̩e ọ nọ nārida ub̩u a, ndi-orù-ya zutere ya, si, na nwa-ya di ndu. 52 Ya mere ọ juru ha oge hour nke aru-ya malitere idi ya nma. Ya mere ha siri ya, Nnyahuru n'oge hour nke-asa ka aru-ọku rapuru ya. 53 Ya mere nna-ya mara na ọ bu n'oge hour ahu mb̩e Jisus siri ya, Nwa-gi nwoke di ndu: ya onwe-ya we kwere na èzí-na-ulo-ya dum. 54 Nka bu ihe-iriba-ama ọzọ nke mere ha abua nke Jisus mere, mb̩e O siri na Judia puta ba na Galili.

Rịba ama ọdịdị ala Jon na-enye anyị ebe a ọzọ. Jisus siri na Sameria pua ba na Galili: ọtutu ndi Galili kwere na Ya n'ihi na ha huru Ya n'ememme ahu, ma hukwa ihe nile O mere anya. Mgbe ahụ, ọ gakwara kpọmkwem na Kena nke Galili n'ihi na e nwere otu nwoke na ejere eze ozi onye nwa ya nwoke no na oria na Kapaniọm. Lee nna nke gosipụtara okwukwe n'isi nwa ya nwoke. Nke a n'egosipụta ihe ndi anyị no n'ekwu ugbu a. Gbaa mbọ hụ na nwa gị na Jisọs Kraist nwere mmekọrịta. Ihe di nkpa gaara abụ na nna ahụ kpọtaara Kraist nwata nwoke ahụ. Ekwenyere m na ị ga-abụ onye akaebe nye ndị ị hụrụ n'anya na ị ga-ekpughekwa n'ime ndụ nke gị na ị nwere okwukwe dị ndụ na n'ime Kraịst na ọ na-arụ ọrụ.

Nwoke ahụ na ejere eze ozi bịakwutere Jizọs rịọ ya ka ọ gbadata gwọọ nwa ya nwoke nọ n'ọnụ ọnwụ. Jizọs zaghachiri nye okwukwe nwoke a ma gwọọ nwata nwoke ahụ. Nke ahụ amaka. Otú ọ dị, ọ dị njọ na ọ kpọtaghị nwata nwoke ahụ n'ihu Kraịst. Nke ahụ bụ nke kachasị mkpa. Anyị nwere olile anya na o mere ya mgbe nwa ahụ gbakechara. Nwanyị Sameria ahụ, ọ bụ ezie na ọ bụ ajọ nwanyị, kpọtara ndị ikom ahụ ihu Onye nwe anyị Jizọs n'ihu n'ihu.

I nwere ike imetụta onye na-enweghị onye nkwusa ọ bụla ga-erute ya. N'eziokwu, ọ dịghị onye ọzọ ga-erute onye ahụ nso ma ọbụghị gị. I nwere ikike n'ebe onye ahụ nọ. Gbalisie ike hu na ị kpọtara ya ihu Kraist n'ihu n'ihu. Na mgbede, nna ahụ weghaara ezinụlọ ya dum nye Kraịst. Onye ọ bụla n'ime ha ga-eji aka ya gosi okwukwe ya, ma nwoke a weghaara ha ma gosiputa ikike ya ebe Kraịst no. Jisos sooro uzo di ala nke gara Sameria iji weta obughi nani otu nwanyi, kama ndi obodo dum ka ha kwere. I họrọla ụzọ di ala ka gi na Jizọs jee ije na omenala dị iche na nke gị?